IAkwukwo akuko nso maka umu ntakiri a na-egosi



# Daniel na Ogige Ọdụm

Ode akwukwo: Edward Hughes

Onye kuziri ya: Jonathan Hay
Alastair Paterson

Onye haziri ya/Onye nhazi:
Mary-Anne S.

Onye tughariri okwu a: The Bible Society of Nigeria

Onye biputere akwukwo: Bible for Children
www.M1914.org

©2023 Bible for Children, Inc.
Ike/ikike: i nwere ike ma obu ikike i biputa
akuko a nani i gaghi ere ya ere.

Darịọs bụ eze ọhụrụ nke Babịlọn. Ọ maara ihe. Ọ kpọrọ otu narị mmadụ na iri abụọ n’ime ndị kasị mma n’ala-eze ya inyere ya aka ịchị-isi. O wee họrọ atọ n’ime ha ka ha bụrụ onyeisi. Daniel so ná ndị ikom atọ ahụ.



Eze Darịọs kwanyeere Daniel ugwu nke ukwuu, o chere echiche ime ya onye ọchịchị n'ala-eze ahụ dum.



Ndị-isi ndị ọzọ nwere ekworo.  Ha kpara nkata ịchọta ihe ọjọọ n’ime Daniel ka ha wee mee ka Daniel na eze nwee nsogbu.



N'agbanyeghị otu ha siri nwaa, ndị isi a enweghị ike ịhụ ihe ọjọọ gbasara Daniel. Daniel na-agwa eze eziokwu n’ihe niile o mere. Ọzọkwa, ọ na-akpachapụ anya ma bụrụkwa onye nwere ọgụgụ isi, na-eme ihe niile mgbe niile nke ọma.



Ndị isi ekworo ahụ maara na ọ bụ naanị otu ụzọ ka ha ga-esi jide Daniel. Ha ma na ọ dịghị ihe ga-egbochi ya ife Chineke Izrel.






Ndị iro Daniel chepụtara atụmatụ. Ha mere iwu ọhụrụ ka eze bịanye aka n’akwụkwọ. Iwu ahụ kwuru na onye ọbụla kwesịrị ikpegara naanị Eze Darịọs ekpere. A ga-atụbakwa onye ọbụla nke nupụrụ isi na nke a n'olulu ọdụm!

Eze Darịọs bịanyere aka na iwu ọhụrụ ahụ.



Iwu ọhụrụ ahụ emeghị ka Daniel dị iche. O mere ihe ọ na-eme mgbe niile. O wee na-egbu ikpere n'ala n'akụkụ windo ya ghere oghe ugbò atọ n'ụbọchị, na-ekpere Chineke nke eluigwe.







Ndị-isi ekworo gbagara gwa eze. Eze Darịọs enweghị ihe ọzọ ọ ga-eme ma ọ́ bụghị ijide Daniel. A ghaghị irubere iwu ahụ isi. Daniel aghaghị ịnwụ. Eze gbalịsiri ike, ma ọ hụghị ụzọ ọ ga-esi gbanwee iwu ahụ.

A mara Daniel ikpe ọnwụ site n'itinye ya n'ime olulu ọdụm. Tupu a tụba Daniel n'aka ọdụm ndị ahụ agụụ na-agụ, eze Darịọs gwara ya sị, “Chineke gị, Onye Ị na-efè mgbe niile, Ya onwe ya ga-anaputa gị.”



Eze ehighị ụra abalị ahụ niile.  N'isi ụtụtụ echi ya, ọ gbagara n'olulu ọdụm ahụ.





Eze Darịọs wee tie mkpu sị, “Daniel, orù nke Chineke dị ndụ, Chineke gị, Nke gị onwe gị na-efè mgbe niile, pụrụ ịnapụta gị n'aka ọdụm?” Eleghị anya, ọ tụghị anya azịza. Ma Daniel zara ya!

Daniel tiri mkpu sị, “Eze, Chineke m zitere mmụọ ozi ya wee mechie ọnụ ọdụm ndị ahụ, ka ha wee ghara imerụ m ahụ́! Tinyekwara na, eze, ọ dịghị ihe ọjọọ ọbụla m mere n'ihu gị.”



Eze Darịọs nwere obi ụtọ nke ukwu! O wee nye iwu ka e wepụta Daniel n’olulu ahụ.



Eze maara na Chineke agbapụtala Daniel nakwa na ndị iro Daniel bụ ndị iro Chineke. O nyere iwu, e wee tụba ndị niile ghọgburu ya ịbịanye aka n'iwu ọjọọ ahụ n'olulu ọdụm. Ọdụm riri ha niile.



Eze Darịọs chọrọ ka ụwa mata na Chineke nke Eluigwe echedowo ohu ya kwesịrị ntụkwasị obi, bụ Daniel.  Eze ahụ dere akwụkwọ ozi nke nyere mmadụ niile iwu ka ha na-efe Chineke dị ndụ.  Eze wee nyeghachi Daniel nsọpụrụ ruuru ya nakwa ịchị-isi ya.



Daniel na Ogige Ọdụm

Akuko nke eweputara n'okwu Chineke,
bu akwukwo nso

Di n'ime

Daniel Isi nke isii

“Ogugu na itule okwu Chineke na-enye ihe.”
Abuoma 119:130

Ngwucha

Akuko akwukwo nso a na-agwa anyi maka Chineke puru ime ihe nile, onye kere anyi ma cho kwa ka-anyi mara ya.

Chineke mara na-anyi emehie la ya, nke O kporo nmehie. Ntarama ahuhu maka nmehie bu onwu, mana Chineke huru anyi na-anya nke ukwu u O were zite nani otu nwa ya nwoke ohuru na-anya, aha ya bu Jisos ka O bia nwuchitere anyi onwu na elu obe ma nata kwa ntarama ahuhu diri anyi maka nmehie anyi. Jisos siri n'onwu bilie ma lahachi kwa eluigwe ebe O siri bia! O buru na i kwere na Jisos ma yokwa ya mgbahara nmehie gi, O ga gbahara gi! O ga bia biri n'ime gi ugbua ma gi onwe gi ga e biri kwa n'ime Ya mgbe ebi ebi.

O buru na i kwere na ihe bu eziokwu, gwa chineke ihe a: Ezigbo jisos onye nzoputa m, e kwere na I bu chukwu/chineke, i buru mmadu ka i wee nwuo maka nmehie m nile, ma ugbua I ka dikwa ndu ozo. Biko bata n'ime ma gbahara m nmehie m nile, ka m nwee ike nwe ndu ohuru ugbua, ma otu ubochi mgbe m ga abia soro gi wee biri mbe ebi ebi. Nyere m aka ka m ruwere gi isi ma bie ndu m maka gi di ka nwa gi. Amin!

Na agu akwukwo nso mgbe nile ka gi na chineke n'ekwurita okwu ubochi nile! Ozioma Jon isi nke ato amaokwu/usoro okwu nke iri na isi.